# ONYEAGHA NKE KRAIST NA IHEAGHA YA

**Ndi Efesọs 6:10-24**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 404**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Igba-ngba-ayi abugh imegide anu-aru na ọbara, kama ọ bu imegide ibu-ndi-isi nile, imegide ichi-isi nile, imegide ndi-onwe-uwa nke ọchichiri a, imegide ndi-agha mọ nke ajọ ihe n'ebe di n'elu-igwe" (Ndi Efesọs 6:12).**

**I Ịdị Mkpà nke Iheagha nke Imemmụọ**

1 Ike na ume nke onyeagha nke Kraist dị nime Onyenweanyị, Ndi Efesọs 6:10

2 Pọl naakọwa mkpà ọ dị inwetazu iheiheagha niile ahụ n'ihi ịdịike nke onyeiro ahụ, Ndi Efesọs 6:11, 12

**II Ndụmọdụ maka Inwere Iheagha niile nke Chineke**

1 Iheagha ahụ gaenye mmadụ ike iguzogide ọnwụnwa na iguzo, Ndi Efesọs 6:13

2 Iheagha nke Chineke ahụ bụ ihenchebe nke imemmụọ site n'isi ruo n'ụkwụ, Ndi Efesọs 6:14-17; 2 Ndi Kọrint 10:4, 5; I Ndi Tesalọnaika 5:8; Aisaia 11:5; 59:17

**III Enyere Iwu maka Ikpeekpere**

1 Aga náekpeekpere nime Mmụọ Nsọ náesepụghịaka, Ndi Efesọs 6:18

2 Pọl naarịọ ka echeta ya n'ekpere ka o wee nwee mkwuwaokwu n'izisa Oziọma, Ndi Efesọs 6:19, 20; Ndi Kọlọsi 4:3, 4

3 Tikikọs ka ezigara Efesọs ime ka ha mara ihe niile na ịkasi ha obi, Ndi Efesọs 6:21, 22

4 Pọl kpọkwasịrị ngọzi n'isi ndị Efesos ma kpeekwara ha ekpere, Ndi Efesọs 6:23, 24

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Iheagha Dị Mkpà

Pọl Onyeozi matara nkeọma na onyeagha nke Kraist ọ bụla gaachọ iheagha ahụ zuruòkè. Ihe ọ nwapụtara naegosi na agha ahụ bụ eziokwu na onyeiro ahụ gaeme ihe niile o nwereike ka o wee kwatue ihe nchebe nke OnyeKraist. Mkpà nke iheagha ahụ dị abụghị náání maka ịbụ ihe nchebe, kama ọ dị mkpà maka ịga n'ụwa dum wee zisaa Oziọma. Pọl adụworị Ndi Efesọs ndịa ọdụ banyere mmeso ha n'ebe ibe ha nọ. Ọ kụziwokwara ndị bụ di na nwunye ihe, onyenweọlụ na onyeegoroọlụ; ụmụ na ndịmụrụ ha; ma ugbu a ọ naagwa ha na idebe okwu ndụmọdụ ndịa na irita urù niile nke Chineke kweworo ha námkwà, na ha gaenwe iheagha niile nke Chineke.

Ọ kọwara ya nkeọma na iheagha a bụ ihe agaeyikwasị. O zughị bú náání ịsị na enwere ya. N'ihi na ọ dịghị mgbe ụlọngwaagha nke jupụtara n'iheagha gaemezu ezi nzube ahụ banyere ya tutu rue mgbe ewèèrè iheagha ahụ nye n'aka onyeagha ma jiri kwa ya mee ihe ahụ ebun'uche banyere ya n'ọgbọ agha. Òlee otú onyeagha nke náejighị iheagha gaesi nwee ike iguzogide onye nke yikwasịwororị iheagha niile? Ọ naagwa ndị nke Kraist ndịa na ọ bụrụ na ha gaeguzo, ọ gaabụ n'ihi na ha eyikwasịwo iheagha ahụ ka ha wee pụ iguzogide iheniile ekwensu naezupụta. N'ọtụtụ ụzọ ka ekwensu pụrụ ịghọgbu ma merie kwa mkpụrụobi ahụ nke náanọghị na nché. Ọ naabịa dịka o mere n'ebe Iv nọ n'Ogigie Iden site n'okwu ireụtọ dị icheiche na okwu nrafu.

### Ike nke Onyeiro ahụ

Ike nke ekwensu dị irè dịkwa egwù, ma Chineke naakpara ya ókè ebe ọ gaakwụsị. Enyere mmadụ mmụọ nke nrọrọ, ọ dị kwa n'ike aka ya ịrọrọ iguzogide ike niile nke ọchịchịrị maọbụ ikwe ka ha merie ya. Mgbe Chineke na arọpụta ngwaagha ahụ iji guzogide ekwensu, nke ahụ pụtaara na O nyewo mmadụ

ihe ọ gaeji nwee mmeri. Agha ahụ abụghị imegide onyeiro nke apụrụ ịhụanya, kama ọ bụ imegide ndịagha mmụọ nke ajọ ihe n'ebe dị n'eluigwe. Òtù okpukpé niile nke náagọnarị ịbụ Chineke nke Jisọs, na ọtụtụ òzízí dị mkpà nke sitere na Baịbụl, nwere ọtụtụ ndịnáesoụzọ ha. Òtù okpukpé ndịa jọgburu onweha n'ihi na ekwensu naeji ha gbochie àtụ̀màátụ̀ nke Chineke maka nzọpụta nke mkpụrụobi nke ụmụmmadụ. Ịrụụka nke òtù ndịa nwereike yie eziokwu ma bụrụ kwa nke nwereike iduhie mmadụ ma otù ihe pụtara ìhè bụ na ike ahụ naesite n'ekwensu. Anaadọ ndị nsọ nke Chineke akanántị banyere ha ma gwakwa ha ka ha yikwasị iheagha niile nke Chineke ka ha wee pụ iguzogide ihe niile ekwensu naezupụta.

### Iheagha Ahụ

Iheagha nke Chineke nwere ọtụtụ akụkụ, ma anyị naaghọta na akụkụ nke mbụ anaagwa anyị bụ ka anyị were iheokìkè nke eziokwu kee ùkwù anyị. Okwu nke Chineke bụ eziokwu, ma dịka anyị naeji Okwu ahụ kee obi anyị, anyị naejikere onweanyị ịgbámgbá ọma nke okwukwe ahụ. Iheagha ahụ náegbochi obi nke eziomume pụtara ìhè n'ihi eziokwu ahụ nke dị nime obi. Jisọs Kraist bụ eziomume anyị, ma dịka anyị naeyikwasị Kraist, anyị naachọ òzízí niile nke Kraist mma. Anyị naerubere Ya na Okwu Ya isi. Ndụ nke eluarụ naenwuru Kraist dịka ìhè n'ihi na Ya onweya naanọ nime obi anyị. Anyị na eyikwasị n'ụkwụ anyị mkwadobe nke bụ Oziọma. Anyị náagụ Okwu nke Chineke, anyị naekpeekpere, anyị na amụkwa ihe ma náeso kwa Jisọs n'ụzọ ahụ. Anyị naedozi obi anyị ịchọ Onyenweanyị site n'ịjụ ihe niile yiri iheọjọọ na site náinyocha obi anyị kwa ụbọchị. Anyị arapụwo kwa mmehie niile na ihe niile bụ́ ịhụ ụwa n'anya isoro Ya dịka Onyenweanyị na Nnaukwu anyị ụbọchị niile nke ndụ anyị. Ọtá nke bụ́ okwukwe ka akpọrọ aha dịka otù akụ̀kụ̀ nke iheagha ahụ, akụzikwaara anyị nime Baịbụl na "okwukwe si n'ọnunu puta, ma ọnunu ahu sitere n'okwu Kraist" (Ndi Rom 10:17). Ya mere akụ̀kụ̀ kachasị mkpà n'iheagha anyị bụ Okwu Chineke. Ọ bụrụ na ekwensu apụnara anyị akụ̀kụ̀ iheagha nke a, ihe niile efunarịwo anyị.

Anyị naemenyụ akụ́ụtá niile náenwuọkụ nke ajọ onye ahụ site n'ọtá nke bụ okwukwe. Anyị naenwe okwukwe nime Chineke. Anyị naekwere mkwà Ya niile, náeguzo kwa n'Okwu Ya. Okwukwe naagụ ihe niile nke Chineke kwere námkwà dịka ihe emezuwororị. Ọ bụghị ihe ijuanya na akpọrọ ya ọtá nke bụ okwukwe. Baịbụl gaabụworị akwụkwọ nwụrụanwụ maasị na okwukwe adịghị. Anyị nwere okwukwe na Baịbụl; anyị naakpọ ya Akwụkwọ nke Chineke. Site n'okwukwe anyị ghọtara na ekèrè ụwa niile site n'Okwu nke Chineke. Agụrụ anyị ná ndị eziomume site n'okwukwe. Anyị naeguzo n'iru Chineke náenweghị amamikpé site n'okwukwe anyị kwere n'Ọbara Jisọs ahụ nke awụsịrị. Ọ bụrụ na ekwensu enweeike izunarị anyị okwukwe anyị, anyị naenwe obiabụọ n'ihe niile, olileanya niile agwụsịwo kwa. Ma ka oge ra anyị naejègharị n'ìhè ahụ ma debe onweanyị n'ọnọdụ iguzo n'okwukwe ná mkwà niile nke Chinke, ọ dịghị mgbe agaemerị anyị.

Otù nime iheagha nke Chineke rọpụtaara anyị bụ ịgụmmadụ n'onyeeziomume site n'okwukwe. Ọzọ kwa ọlụ amara nke abụọ nke anaalụ nime obi, odudonsọ. Ọzọ kwa bụ mkwà nke Nna ahụ, Onyenkasịobi ahụ, ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, nke naadakwasị ndụ ahụ dị ọcha nke edowokwara nsọ. Kraist gwara ndị Kraist nke oge ochie ka ha ghara isi na Jerusalem pụọ rue mgbe agaemejupụta ha n'ike nke sitere n'Elu. Ha rubèrèisi wee chere ma kpee kwa ekpere tutu rue mgbe ezidatara Mmụọ Nsọ n'isi ha n'ụbọchị Pentikọst ahụ. Ha apụghị kwa náenwezughị iheagha niile ahụ, kama ha cheèrè ka ewere onyinyeamara niile nke OnyeKraist kpukwasị ná ndụ ha dịka òkpù.

OnyeKraist ahụ nke ejikezuru n'iheagha ndịa naewere Mmaagha nke Mmụọ Nsọ, nke bụ́ Okwu Chineke, wee baa n'ọgbọ agha. Onyeiro ahụ ka anaemeri mgbe ewèèrè Okwu nke Chineke guzogide ya. Ezi ihenlereanya nye nke a bụ ọnwụnwa nke Jisọs nime ọzara ahụ. Mgbe ekwensu jiri ọnwụnwa bịakwute Ya, Jisọs sịrị, "Edewo ya," wee gaa n'iru ịgwa ya Okwu Chineke nke metụtara ụdị ọnwụnwa ahụ. Emeriri Setan oge niile , ọ naabụ kwa onye emeriri taa ma ọ bụrụ na ewere Okwu nke Chineke, nke dịike ma dị kwa nkọ karị mmaagha nke nwere iru abụọ guzogide ya.

### Ekpere

Ekpere bụ otù akụkụ kachasị mkpà n'iheagha nke OnyeKraist. Ma ejighị ya akụ̀kụ̀ niile ọzọ nke iheagha ahụ gaaghọ ihe náabaghị urù. Okwu Chineke naabụ ihe dị ndụ náání mgbe anyị naewere mkwà

niile nke Chineke site n’okwukwe. Anyị naenwe okwuke a mgbe anyị naabịaru nso Chineke site n’ekpere na Okwu Ya. Ekpere rue mmeri naakwaghar̄ị aka nke Chineke. Ike niile nke ekwensu bụ ihe ekpere nke ndị nke Chineke naegbochi maọbụ náadọghachịazụ. Anaeweta ntute na ịkpáụñara niile nke Mmụọ nke Chineke nime obi nke ụmụmmadụ site n’ekpere. Ọtụtụ òtù dị icheiche ekwekọr̄ịtawo ikpeekpere na ịr̄ịọrọ ndịọzọ ar̄ịr̄ịọ wee nwee mmeri site na Chineke. Óké ntute dị icheiche abịawo n’ihi na otù onye maọbụ otù ọgbakọ ekwerewo na Chineke naeguzosiike n’okwu O kwuru mgbe O kwere mkwà ịzá ekpere.

### Ọchị chọ nke Pọl maka Ekpere

Pọl rịọrọ ndịKraist bú ndịEfesọs ka ha náekpere ya ekpere mgbe niile. Ọ bụ onyeụkọ (maọbụ onye nnọchianya) nke nọ n’agbụ ma ọchịchọ ya abụghị maka inwere onweya n’anụarụ kama inwere onwe ya nime Mmụọ. Ọ chọrọ ka ha kpere ya ekpere ka o wee nwee mkwuwaokwu n’izisa Oziọma ahụ bụ eziokwu. Ọ rịọrọ ha ka ha náekpe ekpere nime Mmụọ Nsọ. Nke a naadakọta n’òzízí na ihe àtụ̀ nke Jisọs nyere, na ekpere anyị mgbe dum ganaabụ dịka uche Chineke si dị. Ọ naabụ uche Chineke mgbe dum ka anyị náekpeekpere n’ihi ndị ahụ nke naenye ndụ ha maka izisa Oziọma. Ezi onye mkwusa njèghar̄ị ọ bụla nke Onyenweanyị naachọ ekpere nke ndị nke Chineke. Inyeaka nke ihe anaahụ́anya dị mkpà, ma ihe ndịa adịghị urù ha gaaba maọbụghi ma mgbalị niile nke ndịòtù nke Chineke bụ ihe ụmụ Chineke gaebu n’obi site n’ekpere.

### Ihe Agha maka Onye Ọ bụla

Onye ọ bụla aghaghị iyikwasị iheagha ahụ nke Chineke kwadobeèrè ya. Adịghị atụ́anya ka ị lụọọlụ nke akpọrọ onyeọzọ ka ọ lụọ. Chineke adịghị atụ́anya ka i mee ihe anaapụghị ime, kama anaeleanya ka iyikwasị iheagha niile nke Chineke rọpụtara ka i wee nweeike ime ihe niile nke dịịr̄ị gị ime. N’aka onye enyere iheukwu, ka agaachọ iheukwu.

Mgbe Devid pụtara ijé iguzogide okoroukwu ahụ bụ́ Golaiat, ọ jụrụ iyiri iheagha nke Eze Sọl. Sọl wèèrè ya nye ya, ma mgbe Devid nwara ya, o wee chọpụta na ya onweya apụghị ịga lụso onyeiro nke ndịagha Israel ọ̀gụ̀ site n’iyikwasị iheagha ahụ. Ọ nwapụtatabeghị ya. N’ihi nke a ọ pụtara were èbè nke ndịnáazụ atụrụ na nkume ise kwọrọ mụrụmụrụ ịlụọgụ ahụ.Ọ sir̄ị Golaiat: “Gi onwe-gi nēwere mma-agha, were kwa ube, were kwa nkpunkpu-ube, biakutem; ma mu onwem nēwere aha JEHOVA nke usu nile nke ndi-agha nke Israel biakute-gi, bú Chineke nke usoro-agha nile nke Israel onye i taworo uta” (I Samuel 17:45). O jighị iheagha nke anaahụ́anya pụta, kama n’aha Jehova na n’ike nke ịdị ike Ya. Ọ dị aka nke anaadịghị ahụ́anya nke duziri nkume ahụ. Chineke duuru ya rue ebe akàràakà -- n’egedegeiru nke Golaiat, Golaiat wee daa nwụọ.

Mmadụ pụrụ ichè ihc ọ gaalụpụtawor̄ị maasị na o ji iheagha nke eze wee pụọ nántụkwasịobi n’ike nke onwe ya. Ma site n’ịtụkwasịobi na Chineke dị ndụ, na iyikwasị iheagha nke anaadịghị ahụ́anya, o nwere mmeri. Etigburu Golaiat, ewee wepụ ịtaụta ahụ megide usoro agha nke Israel. Ndị niile bụ ndị tụkwasir̄ịobi ha na Chineke ọ dighị mgbe agaemeri ha.

### AJỤJỤ Dị ICHEICHE

1 Gịnị bụ ihe kpatara agaeji yikwasị iheagha niile nke Chineke?

2 Gịnị ka anyị naagbamgbá megide n’agha nke imemmụọ a?

3 Òlee akụkụ dị icheiche nke iheagha a nke ị pụrụ ịkpọ aha?

4 Gịnị ka Pọl rịọrọ náar̄ịr̄ịọ ya ka anaecheta ya n’ekpere?

5 Òlee otú na ugbò òlee ka agwara ndịnsọ ka ha náekpeekpere?

6 Nye iheịmáátụ̀ nke otù nwaokoro ahụ onye rọọrọ iheagha nke imemmụọ kama iheagha nke anaahụ́anya.